Ndejọ Ọrụ "Na" N'asụsụ Igbo N'etiti Ụmụakwụkwọ Mahadum Naijiriạ, Nsụka

By

Chineke, Stella Obioma
Ngalaba Mmụta Nka, Fakọlti nke Edukeshọn, Mahadum Naijiriạ, Nsụka
08063385262 stella.chineke@unn.edu.ng

Asadu, Rita Ngozi
Ngalaba Mmụta Nka, Fakọlti nke Edukeshọn, Mahadum Naijiriạ, Nsụka
08069063783 ritaasadungozi@gmail.com

Ụmị

Nchọcha a lebara anya na ndejọ ọrụ "na" n'asụsụ Igbo n'etiti ụmụakwụkwọ Mahadum Naijiriạ, Nsụka. Ụdị nchọcha sọvee nkọwa ka a gbasoro mee nchọcha a. Ajụjụ nchọcha atọ na otu ụmaokwu duziri ya. N'ime ụmụakwụkwọ dị otu narị na iri abụo (120) nọ na Ngalaba Lingwistiks, Asụsụ Igbo na Asụsụ Naijiriạ ndị ọzọ ka ndị nchọcha ji usoro nsere nhatanha wee sere mmadụ iri atọ (30). Iri na ise (15) n'ime ha bụ ụmụnwanyị ebe iri na ise (15) ndị nke ọzọ bụ ụmụnwoke. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a dị abụọ. Nke mbụ bụ nnwale ederede ndị nchọcha nyere ụmụakwụkwọ banyere ụlọakwụkwọ ha. Isiokwu ederede a bụ "Mahadum ala Naijiriạ Nsụka". Ngwa nchọcha nke abụọ bụ njụmaza nwere otu mkpokọta na ndịna ise. Ndị ọkammụta abụọ na Ngalaba Mmụta Nka nakwa otu onye na ngalaba 'Measurement and Evaluation', Mahadum Naijiriạ, Nsụka nyochara ngwa nchọcha a. Ndị nchọcha ji pasentị wee hazie/tụchaa ihe e nwetara n'ajụjụ nchọcha nke mbụ na nke abụọ; ma jiri miin na ndịpụ n'izugbe hazie ihe e nwetara n'ajụjụ nchọcha nke atọ. Ndịna ọbụla ruru 2.5 bụ nke a nabatara ebe ndị erughị 2.5 bụ ndị anabataghị. Ha jikwa chi-square tụcha ihe e nwetara n'ụmaokwu nkịtị, nke a nwalere n'ogo akara ntụ 0.05. Nchọpụta gosiri na "na" dịka mbuụzọ bụ ụdị ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ka edejọ n'ederede ha. Ụmụakwụkwọ ndị nwoke ka edejọkarị "na" karịa ụmụakwụkwọ ndị nwanyị mana ndịmiche a apụtaghị ihe. Amaghị ka e si etinye akara edemede ndị e ji egosi ọrụ "na" n'edemede na-ahịa ụmụakwụkwọ ahụ. Site n'ihe ndị a chọpụtara ka ndị nchọcha ji wee tụọ aro, nke otu n'ime ha bụ ka ndị nkụzi Igbo niile, malite n'ọtaakara rue n'ogo dị elu jisie ike wepụta ohere dị mma

maka nkụzi ụtọasụsụ Igbo, bụ ebe odide "na" na-apụtakarị ìhè, karịa ịdị na-akụziri ha sọọsọ agụmagụ na omenala.

Ọkpụrụkpụ okwu: Asụsụ, Asụsụ Igbo, Ụtọasụsụ, Ndejọ, Jenda.

Mkpọlite

Asụsụ bụ ụzọ ndị mmadụ si agbanweriịta ebumnobi ha. Ọ bụ ụzọ mmadụ si ekwupụta etu obi dị ya na ihe ndị ọ chọrọ ime na ndụ. Asụsụ bụ ihe e ji mara ndị. Ọtụtụ mgbe, ọ bụ aha asụsụ ndị ka a na-akpọ ha. A na-ekwu maka ndị Igbo n'ihi na ọ bụ asụsụ Igbo ka ha na-asụ. Etu a kwa ka e si ekwu maka ndị Yoruba maka na ọ bụ Yoruba ka ha na-asụ. Asụsụ bụ omenala, bụrụkwa ọdịnala e jiri mara otu agbụrụ. Asụsụ, dị ka ụzọ pụrụ iche mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta nwere usoro ọ na-agbaso iji rụọ ọrụ ya nke ọma. Asụsụ nwere usoro o si arụ ọrụ nke mere na mmadụ na-eji ya ezipụta ebumnobi ya n'ụzọ onye ọzọ ga-aghọta nke ọma. Umeọdinka, Ugochukwu, Ọgwụdile na Ilechukwu (2019) kọwara na asụsụ abụghị ebumpụtaụwa. Ha gara n'ihu ịkọwa na otu ihe Chineke mere pụrụ iche bụ na o nweghị agbụrụ o nyeghị asụsụ nke ha. Agbụrụ dị iche iche dị n'ụwa taa nwere asụsụ nke e jiri mara ha nke dị iche n'asụsụ nke agbụrụ ndị ọzọ. Asụsụ agbụrụ mmadụ ka a tụrụ anya ka ọ bụrụ asụsụ epum ya.

Asụsụ epum bụ asụsụ mbụ ọbụla mmadụ mụtara ịsụ oge o dị na nwata. Na ndụ mmadụ, ọ kachasị na ndụ nwa a mụrụ ọhụrụ, asụsụ epum bụ asụsụ mbụ nne na nna, ụmụnne na ikwu na ibe ndị ọzọ nọ na gburugburu ji akpanyere ya nkata nke mere na ọ bụ ya ka nwata ji enwe mmekọrịta izizi na ndụ ya. Nwigwe na Ekwenze (2017) mere ka o doo anya site n'ịkọwapụta na asụsụ Igbo ga-abụ asụsụ epum nwata ma ọ bụrụ na nne na nna ya bu ụzọ kụziere ya ịsụ asụsụ Igbo. Mana, ọ bụrụ na nne na nna na-asụrụ nwa ha asụsụ Bekee maọbụ French nke mere na nwa ahụ bu ụzọ mụta asụsụ Bekee maọbụ French dịka asụsụ epum ya, n'agbanyeghị na nne na nna nwa ahụ bụ ndị Igbo, asụsụ Igbo abụghị asụsụ epum nwata ahụ.

Ya bụ na ọ bụghị mgbe niile ka asụsụ epum ndị nne na nna na asụsụ epum ụmụ ha ji abụ otu. Nke a bụ maka na di na nwunye nwere ike ha agaghị esi n'otu obodo bịa. Di nwere ike ịbụ onye Yoruba; nwunye ya abụrụ onye Igbo. N'ihi na ọ bụ asụsụ Bekee ka ha nwere ike iji ghọta onwe ha, ya mere ha ga-eji ya na-akpa nkata n'ụlọ ma na-asụkwara ya ụmụ ha. Ụmụaka dị etu a nwere asụsụ Bekee dịka asụsụ

epum ha. N'ịga n'ihu, Skutnabb-Kangas (2015) gbadoro ụkwụ n'ụzọ anọ kọwaa asụsụ epum: (i) nsiripuru (asụsụ mmadụ bu ụzọ mata (ii) njirimara onye (asụsụ e ji mara mmadụ); (iii) mmata (asụsụ mmadụ maara nke ọma), na (iv) ntinye n'ọrụ (asụsụ mmadụ na-asụkarị). Mba ọbụla nwere asụsụ nke ha. A bịa n'ala Naijiria, e nwere asụsụ dị iche iche agbụrụ dị iche iche dị n'ime ya na-asụ dịka Tiv, Igala, Idoma, Urhobo, Efik na ọtụtụ ndị ọzọ. N'ime ha niile, atọ kacha pụta ihe bụ Hausa, Yoruba na Igbo.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ e ji mara ndị Igbo, agbụrụ nke ndịda ọwụwa anyanwụ Naịjiria. E nwere mmadụ ruru nde iri abụọ na anọ nọ na Naijiria bụ ndị Igbo (Bauer, 2017). Ala ndị e jiri mara ndị Igbo bụ Abia, Anambra, Ebonyi, Enugu, na Imo; na ụfọdụ ebe na steeti Rivers, Delta na Benue (Chigbu, 2018). Asụsụ Igbo so n'otu ezinụlọ asụsụ Benue-Congo. Asụsụ Igbo nwere olundị dị iche iche mana Igbo ndị Igbo ji emekọrịta na nke ha na-eji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ bụ Igbo izugbe.

Igbo izugbe bụ ụdị olu asụsụ a nabatara karịa ụdị olu asụsụ Igbo ndị ọzọ nke e ji mara ndị Igbo. Ofomata (2004) kọwara Igbo ịzugbe dịka asụsụ Igbo zuru Igbo maọbụ obodo niile na-asụ Igbo ọnụ. Igbo ịzugbe bụ asụsụ Igbo nke onye ọbụla na-anụ ma na-aghọtakwa ozigbo. Ọ bụkwazị ụdị asụsụ Igbo a na-akụziri ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ma n'elementịrị, sekọndịrị na mahadum. Igbo izugbe bụkwazi ụdịrị asụsụ Igbo a na-akụzịrị onye ọbụla abụghị onye Igbo na-amụ asụsụ Igbo. Ọ bụkwazi ụdị Igbo a tụrụ anya na onye ọ bụla na-amụ asụsụ Igbo ga na-asụ ma na-edekwa mgbe ọbụla ọ chọrọ. Olu asụsụ Igbo izugbe e nweghị mpaghara Igbo nwe ya. Naanị onye, ndị, obodo maọbụ mba nwe ya bụ ndị mụtara ka e si asụ ma na-edekwa ya. Igbo izugbe nwere usoro a na-agbaso wee na-asụ ma na-ede ya, bụ nke a na-akụzi n'ihe ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo.

Ụtọasụsụ metụtara nkejiasụsụ dị iche iche, ndị gụnyere: mkpọaha, nnọchiaha, ngwaa, nkwuwa, mbuụzọ na njikọ. O metụtakwara ihe ndị ọzọ dịka ụdaume na mgbochiume, ọdịdị ụdaume e nwere, ndakọrịta ụdaume, mkpụrụedemede mgbochiume, ndị gụnyere ụdamkpị na ụdange. Ezema (2014) kọwara ụtọasụsụ dịka ihe ọmụmụ dị n'asụsụ ọbụla e ji amata etu kwesiri ka e were na-asụ maọbụ na-ede asụsụ ahụ. Ọ bụ n'ụtọasụsụ ka e si amụta maka ụdaasụsụ, mmebe okwu, nghọta mkpụrụokwu, usoro okwu na nghọta ahịrịokwu. E nwekwara ike ịhụta

ụtọasụsụ dịka mmewere ọdịdị asụsụ nke zuru òkè iji kwukọrịta okwu maọbụ dee ihe n'ihe gbasara asụsụ ahụ. Nke a mere Ezema (2014) ji gaa n'ihu kọwaa na ọ bụ ụtọasụsụ na-eme ka ọ dị mfe ịmụ asụsụ nwekwa ike depụta asụsụ ahụ n'akwụkwọ nke ọma. N'ihi ya, e nwere ike ikwu na ụtọasụsụ Igbo malitere na mkpọpụta na odide mkpụrụedemede Igbo.

Mkpụrụedemede maọbụ abịdịị Igbo bụ mkpụrụedide e ji ede asụsụ Igbo. Asụsụ ọbụla nwere otu e si asụ ya ma nwekwazị otu e si ede ya. Ihe nke a na-akọwa bụ na ọ bụ mkpụrụedemede asụsụ ka e ji ede asụsụ. Asụsụ Igbo nwekwazịrị mkpụrụedemede e ji ede ya.
Ha bụ ndị a:

a b ch d e f g gb gh gw h
i ị j k kp kw l m n ń nw
ny o ọ p r s sh t u ụ v w y z

Mkpụrụedemede ndị a ka e ji emebe mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo. Mkpụrụokwu ụfọdụ nwere ọrụ pụrụ iche ha na-arụ n'asụsụ Igbo nke otu n'ime ha bụ 'na'. Onye ọ bụla ma ụtọasụsụ Igbo ga-amata na "na" so n'ihe dị mkpa n'ederede ọbụla n'asụsụ Igbo.

"Na" so n'otu ihe ọmụmụ nke onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo izugbe ga-ezuteriri. Ọtụtụ mgbe ọ na-adị mfe iji ya eme ahịrịokwu n'ọsụsụ mana ọ naghị adị mfe ide ya ede n'ihi na e nwere usoro dị iche iche a na-agbaso were ede ya. Etu e si ede ya mgbe ọ na-arụ ọrụ dịka njikọ, nnyemakangwaa, mbụụzọ na isingwaa dịcha iche iche. Anedo (2014) kọwara na "na" na-abatakarị n'ọsụsụ karịa n'odide. Na nkwenye, Okere (2017) kwuru na o nweghị ka mmadụ ga-esi kwuchaa ihe niile ọ na-ekwu n'ụbọchị ghara itinye "na". N'otu aka ahụ n'odide Igbo izugbe, o nweghị ka a ga-esi gbalaha ihe gbasara ọrụ "na" na-arụ n'asụsụ Igbo. "Na" nwere ike ịrụ ọrụ n'asụsụ Igbo izugbe dịka njikọ, nnyemakangwaa, mbuụzọ na isingwaa. Njikọ, bụ ijikọ okwu abụọ, aha na aha, nkebiokwu nnọchiaha na nkebiokwu, nkebiaha na nkebiaha, nkebiahịrị na nkebiahịrị maọbụ nnọchiaha. Mgbe "na" na-arụ ọrụ dịka njikọ a na-edechapụ, "na" edechapụ. Ọmụmaatụ:

a. Ji na ede.
b. Uche na Chike.
ch. Mụ na ya.

Mgbe ọ na-arụ ọrụ dịka nnyemakangwaa, a na-eji akarauihe (-) ejikọ ya na ngwaa ọ na-esote. "Na" na-enyere ngwaa aka mgbe ngwaa na-egosi ihe na-eme ozugbo, ihe ga-eme n'ọdịnihu, ihe na-eme na mgbe na mgbe, na ihe na-eme oge ọbụla. Ọmụmaatụ:

a. Chike na-agba egwu.
b. Obodo na-eme iri ji ọhụrụ kwa afọ.

Anedo (2014) mere ka a mata na ọ dịkwa mkpa ịkọwa ebe a, na oge ọbụla pesin nke mbụ mkpolu "m"na pesin nke atọ ụbara "ha" batara ozugbo n'etiti "na" na ngwaa, nnọchimpesin akwụrụ onwe ya na-enweghị akarauhie. N'ebe a, a na-edeko ya na nganihu "a" nke na-amalite ahịrị ahụ ọ nọ na ya. Ọmụmaatụ:

a. Ana m echu mmiri.
b. Ana m eri nri.
ch. Ana ha amụ amụ.

Mgbe "na" na-esote nsonazụ njụ "ghị" (ya bụ "na" dịka nnyemakangwaa nwere nsonaazụ njụ) a na-edekọ "na" na "ghị". Ọmụmaatụ:

a. Ọ naghị eri nsi.
b. Ị naghị achị ọchị.
ch. Ha anaghị eme ebere.
d. Anyị anaghị agazị.

Mgbe "na" na-arụ ọrụ isingwaa, a na-ederu "na" n'isi ma dekọọ ya na mgbakwụnye ọbụla batara na ya. Ọmụmaatụ:

a. Nara ya ihe.
b. Napụ ya mma.
ch. Nara nna gị ego.

Ụzọ ọzọ "na" si arụ ọrụ n'asụsụ Igbo bụ dịka mbuụzọ. Echebima (2013) kọwara na ọ dichaghị mfe ịkọwa ọbụladị n'asụsụ Bekee ihe mbuụzọ pụtara kama ihe dị mkpa bụ iji ya eme ahiriokwu dị iche iche n'ụzọ dabara adaba. Ka o sila dị, e nwere ike ịkọwa mbụụzọ dịka nkejiasụsụ na-egosi ebe aha dị n'ahịrịokwu. Ume, Ugoji na Dike (2016) kọwara mbuụzọ dịka mkpụrụokwu ndị ahụ na-ebute mkpọaha ya na ya nwere mmekọrịta n'ahịrịokwu ụzọ. Ezeomeke (2014), Apakama (2016) na Okafọ na Ewelukwa (2018), kọwara na ọ bụ sọ "na" bụ mbuụzọ e nwere n'Igbo

izugbe. Nke a dabara n'echiche Mbah (2014) bụ onye kọwara na mbuụzọ e nwere n'Igbo dị atọ mana ọ bụ "na" ka e ji ezipụta ha niile. Ha gụnyere mbuụzọ na-akọwa ebe ihe dị, mbuụzọ na-akọwapụta ihe mmadụ kwuru na mbuụzọ na-akọwa ihe e ji n'aka na ọ ga-eme. N'ime mbuụzọ atọ ndị a, nke doro ọtụtụ ndị Igbo anya nke ọma bụ nke na-akọwa ebe ihe dị maọbụ mmetụta dị n'etiti otu ihe na ibe ya, nke ọmụmaatụ ya na Bekee gụnyere: 'on', 'at', 'in'. Mgbe "na" na-arụ ọrụ mbuụzọ n'ụdị ọnọdụ a, e nwere ụzọ abụọ e nwere ike ịgbaso wee depụta ya. Nke mbụ, ọ bụrụ na "na" na-esote okwu bidoro n'ụdaume, a na-ewepụ "a" were rịkọm elu dochie ya. Ọzọkwa, ọ bụrụ na ọ na-esote mgbochiume, a na-ederu ya n'isi etu a "na". Ọmụmaatụ mgbe "na" na-arụ ọrụ mbuụzọ ma ụdaume na-esote ya:

a. Obi bi n'Aba.
b. Ọ dị ya n'aka.

Mgbe "na" na-esote mgbochiume a na-ederu "na" n'isi dịka:

a. Uche bi na Legos.
b. Akwa dị na mmiri .

N'ịga n'ihu, mgbe e ji "na" akọwapụta ihe mmadụ kwuru na ihe e ji n'aka na ọ ga-eme, a na-ederu "na" n'isi.
Ọmụmaatụ:

a. Ọla sị na ọ na-abịa.
b. Ha ma na ọ ga-anwụ.

Nkọwa ndị a niile dị n'elu gosiri na "na" bụ mkpụrụokwu dị nnukwu mkpa n'usoro ọsụsụ na odide asụsụ Igbo. Ka o sila dị, usoro dị iche iche a na-agbaso wee na-ede ya dịka ọrụ ọ na-arụ n'ahịrịokwu siri dị were ike ibute mgbagwoju anya n'ebe ụmụakwụkwọ nọ. Ọnọdụ dị etu a nwekwara ike ibutere ụmụakwụkwọ ndejọ n'ederede n'asụsụ Igbo.

Ndejọ na-apụta ihe oge ọbụla odee leghaara ụfọdụ iwu ụtọasụsụ e nwere n'asụsụ anya. Nkọwa a gosiri na ndejọ bụ ịdachapụ n'usoro e kwesiri ịgbaso dee ihe. Hornby (2015) kọwara na ndejọ bụ ihe e dezighị edezi maọbụkwanụ edetachaghị nke ọma. Ọ gbakwụnyere na ndejọ dị n'ụdị n'ụdị dịka nsupejọ, nke na-esi n'aka onye na-ebipụta akwụkwọ, maọbụ n'aka odee.

Ka o sila dị, ndị nchọcha dịka ndị kụzirila asụsụ Igbo ọtụtụ afọ n'ogo mmụta sekọndịrị ukwu chọpụtara na ọtụtụ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo ahụ na-enwe nsogbu n'idepụta "na" mgbe ọ na-arụ ọrụ n'ụzọ dị iche iche. Otu ihe nwere ike iso bute ọnọdụ a bụ enweghị ezi ntọala na ndepụta ọrụ "na" n'ogo mmụta praịmarị nakwa sekọndịrị nta. Ihe ọzọ nwere ike iso bute nke a bụ ole mmụta ndị nkụzi asụsụ Igbo n'onwe ha nwere. Nke a bụ eziokwu maka na ọ bụ mmụta onye nkụzi nwere ka ọ ga-enyefe n'aka ụmụakwụkwọ ya.

Ma e legara anya na nkọwa dị n'elu ebe a, ndị nchọcha chọrọ ịchọpụta ka ọnọdụ si gbata kwụrụ na ndejọ ọrụ "na" n'ogo mmụta mahadum. O nwere ike ọ bụrụ na e nweela mgbanwe, maka na ndị nkụzi n'ogo mahadum bụ ndị nwerela mmụta dị elu. Ụfọdụ n'ime ha bụ ọkammụta ebe ụfọdụ bụcha ọkankụzi. Mana ọ bụrụ na ụmụakwụkwọ nọ n'ogo mmụta mahadum ka na-enwe nsogbu ndejọ ọrụ "na", ọ dị mkpa ịmata ebe ha ka enwe ya bụ nsogbu nakwa ihe ndị nwere ike ịkpata ha ji enwe nsogbu ndị a. Nke a dabara n'echiche Izuagba (2018) bụ onye kọwara na ebe ọ bụ na ihe dị mkpa gbasara atụtụ ndejọ bụ ịchọpụta ihe ndị e dejọrọ edejọ, na ọ ga-enyere onye nkụzi na ụmụakwụkwọ aka ịchọpụta kpọmkwem ebe nsogbu ahụ si. Ịchọpụta nsogbu ndịa ga-enye aka n'ịmata ụzọ e nwere ike isi wee gbochie ha n'ọdịnihu. Ọ bụ ya kpatara ndị nchọcha ji họrọ ileba anya n'isiokwu a. N'ime nke a, ndị nchọcha ga-achọkwazị ịmata ka jenda si enwe mmetụta n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'ihe gbasara ndejọ ọrụ "na" n'asụsụ Igbo.

Jenda bụ ọnọdụ ịbụ oke maọbụ nwanyị dịka o si gbasata mmadụ. Ọnọdụ a nwere ike imetụta ka mmadụ si ahụta ihe maọbụ eme ihe na ndụ ya. Mgbe a na-ekwu okwu banyere jenda n'ọmụmụ asụsụ, ebumnuche na-abụkarị iji ya chọpụta ka ọ bụ ndị nwoke ka ọ bụ ndị nwanyị ka emeta nke ọma na ya bụ ihe ọmụmụ. Ka o sila dị, ọtụtụ ndị ọkammụta emeela nchọpụta wee hụ na o nwere ndịiche dị n'ọmụmụ asụsụ n'etiti nwoke na nwanyi. Akachukwu (2018) gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nwanyị na-amụtakarị asụsụ ọsọọsọ karịa ndị nwoke mgbe ọ kọwara na ndịiche na jenda bụ otu ụzọ pụtakarịrị ihe e si egosipụta na ndị nwanyị ka eme nke ọma n'ịmụ na ide asụsụ dị iche iche karịa ndị nwoke n'ụlọakwụkwọ. O zipụtara na malite na mbido ikwu okwu dịka o siri metụta ụmaaka, na ndị nwanyị n'ime ha na-aka eme nke ọma n'ịkpọpụta okwu ndị nwere otu ụda na ụda abụọ.Wale (2019) n'aka nke ya chọpụtara na ụmụnwanyị na-enwe mmasị n'ihe ọmụmụ asụsụ karịa ndị nwoke. Umo (2019) hụtakwara na a bịa n'ihe gbasara

aghọtaazaa na nkọwa n'asụsụ ọbụla, nkwenye ndị mmadụ na-egosi na ụmụnwanyị na-emekarị nke ọma karịa ụmụnwoke. N'ihi ya, ọrụ a chọrọ ịmata ka ọ bụ ụmụakwụkwọ ndị nwoke ka ọ bụ ndị nwanyị ka enwe nsogbu n'ihe gbasara odide "na" n'asụsụ Igbo. Ihe ndị a niile a rụtụrụ aka na ntọala bụ ihe kpalitere mmụọ ndị nchọcha ha ji wee na-eleba anya n'isiokwu a bụ Ndejọ ọrụ "na" n'odide asụsụ Igbo n'etiti ụmụakwụkwọ ndị Mahadum Nsụka.

Mbunuuche Nchọcha

Mbunuuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta ndejọ ọrụ "a" n'odide asụsụ Igbo n'etiti ụmụakwụkwọ Mahadum Naijiriạ, Nsụka. Nchọcha a ga-elebakwa anya n'ihe ndị a;

1. Ịchọpụta ụdị ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ka edejọ n'ederede ha;
2. Ịchọpụta ka jenda si emetụta ụmụakwụkwọ n'odide "na" n'ederede asụsụ Igbo;
3. Ịchọpụta ọgbatauhie ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide ọrụ "na" n'asụsụ Igbo.

Ajụjụ Nchọcha

Ọ bụ ajụjụ ndị a ka nchọcha a ga-elebanye anya na ha;

1. Kedu ụdị ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ka edejọ n'ederede ha?
2. Kedu ka jenda si emetụta ụmụakwụkwọ n'odide "na" n'ederede asụsụ Igbo?
3. Kedụ ọgbatauhie ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide ọrụ "na" n'asụsụ Igbo?

Ụmaokwu

H0ı: Enweghị ndịmiche pụtara ihe na ndejọ ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ndị nwoke na ndị nwanyị n'asụsụ Igbo.

Usoro

Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Sọvee nkọwa bụ usoro e ji achọpụta ihe ndị mmadụ bu n'uche, dịka echiche obi ha maọbụ ihe masịrị ha (Nworgu, 2018). Ọ na-eleba anya n'ịchọpụta ihe dị n'ime ụmụakwụkwọ, ọ kachasị mgbe ha na-edepụta ihe. Nchọcha a nyochara ndejọ "na" n'odide asụsụ Igbo n'etiti ụmụakwụkwọ ndị nọ na Ngalaba Amụmamụ Lingwistiks, Asụsụ Igbo na

Asụsụ Ala Naịjirịa ndị ọzọ, nke Mahadum Naijirịa Nsụka. Ndị nchọcha họọrọ ụdị nchọcha a maka na ọ dabaran'isiokwu nchọcha a.

Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ na Ngalaba Lingwistiks, Asụsụ Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ. Ngalaba a so n'otu n'ime ngalaba ndị dị na Fakọltị nke Nka. (Faculty of Arts) nke Mahadum Naijirịa Nsụka dị na steeti Enugwu. Ihe kpatara ndị nchọcha jiri họrọ ebe a dịka ebe nchọcha bụ na ndị nchọcha amatala na ọnọdụ a na-enye nsogbu n'ogo mmụta sekọndịrị, ha chọkwazịrị ịmata ka ya bụ ọnọdụ si dị n'ogo mmụta mahadum.

Ndị e ji mee nchọcha a bụ ụmụakwụkwọ dị otu narị na iri na abụọ, ndị gụnyere ụmụnwanyị iri itoolu na isii, na ụmụnwoke dị iri na isii ndị nọgasị n'ogo nke anọ na Ngalaba Lingwistiks, Asụsụ Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ, nke Mahadum Naịjirịa Nsụka. Nke a bụ iji nweta kpọmkwem ihe a na-enyocha.

Ndị nchọcha seere ụmụakwụkwọ dị iri atọ (30) site n'ọnụọgụ nchọcha a. Ndị nchọcha ji usoro nsere nhatanha wee sere ha. Ụmụakwụkwọ ndị nwoke na ndị nwanyị dị iri na ise (15) n'otu n'otu. Nke a bụ n'ihi na ndị nchọcha nwere mmasị ileba anya na jenda.

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a dị abụọ. Nke mbụ bụ nnwale ederede ndị nchọcha nyere ụmụakwụkwọ banyere 'Ụlọakwụkwọ ha'. Isiokwu ederede a bụ "Mahadum ala Naijirịa Nsụka". Ebe ọ bụ na o doro anya na ọtụtụ "na" ga-abatarịrị n'ụdị ederede dị etu a n'asụsụ Igbo, ọ bụ ya ka ndị nchọcha ji họrọ isiokwu a. Ngwa nchọcha nke abụọ bụ njụmaza nwere otu mkpokọta na ndịna ise. Ya bụ njụmaza lebara anya n'ịchọpụta ọgbatauhie ụmụakwụkọ na-enwe n'ide ọrụ "na" n'asụsụ Igbo. E nwekwara okpokoro anọ n'ihu ndịna nke ọbụla, ebe a tụrụ anya na ndị nzaajụjụ ga-enye ọsịsa ha gbasara ndịna ndị ahụ site n'ịgbaso ihe ndị a:

Ekwesiri m ike (EI)— Akara anọ
Ekwere m (E)— Akara atọ
Ajụrụ m (A)— Akara abụọ
Ajụsiri m ike (AI)— Otu akara

Ndị nchọcha were ngwa nchọcha ha ga na nke ọkammụta abụọ na Ngalaba Mmụta Nka nakwa otu onye na ngalaba 'Measurement and Evaluation',

mahadum Naịjirịa, Nsụka, ka ha lebaa anya ma o nwere nke ha ga-etinye maọbụ wepụ iji hụ na ngwa nchọcha a tozuru etozu maka nchọcha a. Ha sitere na nnyocha ha hazie ngwa nchọcha etu o kwesiri.

Ndị nchọcha gara na klaasị ụmụakwụkwọ a ahọpụtara jiri mee nchọpụta a. Ndị nchọcha gwara ha ebumnobi ha tupu enye ha ya bụ isiokwu. Ha nọrọ ebe ahụ hụ na ha dere ihe ha chọrọ ka ha dee. Ha kekwara ụmụakwụkwọ ederede njụmaza ndị ahụ ha jiri mee ya bụ nchọcha. Ndị nchọcha gbara mbọ nọrọ wee hụ na ndị na-aza ajụjụ a zachara ha tupu ha anakọta akwụkwọ ajụjụ ha iji hụ na o nweghị nke ha tufuru. N'ịkpeazụ, ha lebara anya n'edemede ụmụakwụkwọ ma depụta ebe "na" pụtara ihe na nke onye ọbụla. Ha gakwara n'ihu depụta ọnụọgụ ebe onye ọbụla n'ime ha detara "na" nke ọma na ebe odetaghị.

Ndị nchọcha ji tebul hazie ụsa e nwetara n'aka ụmụakwụkwọ ndị e ji mee nchọcha a. Ha ji pasentị wee hazie/tụchaa ihe ha nwetara n'ajụjụ nchọcha nke mbụ na nke abụọ; ma jiri miin na ndịpụ n'izugbe hazie ihe e nwetara n'ajụjụ nchọcha nke atọ. Ndịna ọbụla ruru 2.5 bụ nke a nabatara ebe ndị erughi 2.5 bụ ndị anabataghị. Ha jikwa chi-square tụcha ihe e nwetara n'ụmaokwu nkịtị, nke a nwalere n'ogo akara ntụ 0.05.

Nchọpụta

E gosipụtara nke a n'usoro ajụjụ nchọcha na ụmaokwu e hibere maka nchọcha a.

Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ: Kedu ụdị ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ka edejọ n'ederede ha?

Tebul nke mbụ: Ụdị ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ka edejọ n'ederede ha

S/N	Ọrụ "na"	Ọnụọgụgụ (%)		Mkpokọta
		Ndeta	Ndejọ	
1	Njikọ	140(28.3)	99(21.4)	239(24.9)
2	Mbuụzọ	137(27.7)	153(33.0)	290(30.3)
3	Nnyemakangwaa	115(23.2)	122(26.3)	237(24.7)
4	Isingwaa	103(20.8)	89(19.2)	192(20.0)
	Mkpokọta	**495(100)**	**463(100)**	**958(100)**

Tebul nke mbụ gosipụtara ụdị ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ka edejọ n'ederede ha. Site na ya bụ tebul, ọrụ "na" dịka mbuụzọ nke ọnụọgụgụ mpụtara ya bụ 290 na pasentị 30.3 kacha pụta ihe n'ederede ụmụakwụkwọ. Ọrụ "na" dịka njikọ (239, pasentị 24.9), nnyemakangwaa (237, pasentị 24.7) na isingwaa (192, pasentị 20) soteziri n'usoro na mpụta ihe n'ederede ụmụakwụkwọ. Ndejọ "na" dịka mbuụzọ kacha n'ọnụọgụgụ nke bụ 153 na pasentị 33, ebe ndeta ya dị 137 na pasentị 27.7. Ndejọ 'na' dịka nnyemakangwaa na-esote n'ọnụọgụgụ (122, pasentị 26.3), ebe ndeta ya dị 115 na pasentị 23.2. Ndejọ "na" dịka njikọ (99 na pasentị 21.4; ndeta 140 na pasenti 28.3) na isingwaa (89 na pasentị 19.2; ndeta 103 na pasenti 20.8) na-esotezi n'usoro n'ọnụọgụgụ.

Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ: Kedu ka jenda si emetụta ụmụakwụkwọ n'odide "na" n'ederede asụsụ Igbo?

Tebul nke Abụọ: Ka jenda si emetụta ụmụakwụkwọ n'odide "na" n'ederede asụsụ Igbo

SN	Ọrụ "na"	Ọnụọgụgụ (%)				Mkpokọta	
		Nwoke		Nwanyị			
		Ndeta	Ndejọ	Ndeta	Ndejọ	Ndeta	Ndejọ
1	Njikọ	76(15.4)	50(10.8)	64(12.9)	49(10.6)	140(28.3)	99(21.4)
2	Mbuụzọ	83(16.8)	85(18.4)	54(10.9)	68(14.7)	137(27.7)	153(33.0)
3	Nnyemakangwaa	62(12.5)	73(15.8)	53(10.7)	49(10.6)	115(23.2)	122(26.3)
4	Isingwaa	57(11.5)	53(11.4)	46(9.3)	36(7.8)	103(20.8)	89(19.2)
	Mkpokọta	**278(56.2)**	**261(56.4)**	**217(43.8)**	**202(43.6)**	**495(100)**	**463(100)**

Tebul nke abụọ gosipụtara ka jenda si emetụta ụmụakwụkwọ n'odide "na" n'ederede asụsụ Igbo. Site na ya bụ tebul, ụmụakwụkwọ ndị nwoke mere ndeta "na" dịka njikọ ugboro 76, pasentị 15.4 na ndejọ ya ugboro 50, pasentị 10.8. Ụmụakwụkwọ ndị nwanyị mere ndeta "na" dịka njikọ ugboro 64, pasentị 12.9 na ndejọ ya ugboro 49, pasentị 10.6. A bịa n'odide "na" dịka mbuụzọ, ụmụakwụkwọ ndị nwoke mere ndeta ya ugboro 83, pasentị 16.8 na ndejọ ya ugboro 85, pasentị 18.4. Ụmụakwụkwọ ndị nwanyị mere ndeta "na" dịka mbuụzọ ugboro 54, pasentị 10.9 na ndejọ ya ugboro 68, pasentị 14.7. A bịa n'odide "na" dịka nnyemakangwaa,

ụmụakwụkwọ ndị nwoke mere ndeta ya ugboro 62, pasentị 12.5 na ndejọ ya ugboro 73, pasentị 15.8. Ụmụakwụkwọ ndị nwanyị mere ndeta "na" dịka nnyemakangwaa ugboro 53, pasentị 10.7 na ndejọ ya ugboro 49, pasentị 10.6. N'ikpeazụ, a bịa n'odide "na" dịka isingwaa, ụmụakwụkwọ ndị nwoke mere ndeta ya ugboro 57, pasentị 11.5 na ndejọ ya ugboro 53, pasentị 11.4. Ụmụakwụkwọ ndị nwanyị mere ndeta "na" dịka isingwaa ugboro 46, pasenti 9.3 na ndejọ ya ugboro 36, pasentị 7.8. Na mkpokọta, ụmụakwụkwọ ndị nwoke mere ndeta "na" ugboro 278, pasentị 56.2 na ndejọ ya ugboro 261, pasentị 56.4, ebe ụmụakwụkwọ ndị nwanyị mere ndeta "na" ugboro 217, pasentị 43.8 na ndejọ ya ugboro 202, pasentị 43.6. Nke a gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nwoke ka edejọkarị "na" karịa ụmụakwụkwọ ndị nwanyị n'ederede asụsụ Igbo.

H0₁: Onweghị ndịmiche pụtara ihe na ndejọ ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ndị nwoke na ndị nwanyị n'asụsụ Igbo.
Tebul nke Atọ: Chi-square na ndịmiche pụtara ihe na ndejọ ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ndị nwoke na ndị nwanyị n'asụsụ Igbo.

	Value	**Df**	**Asymp. Sig. (2-sided)**
Pearson Chi-Square	1.677	3	.642
Likelihood Ratio	1.672	3	.643
Linear-by-Linear Association	.737	1	.391
N of Valid Cases	958		

Apụtaghị ihe (p>0.05)

Tebul nke atọ gosipụtara na akara Chi-square nke bụ 1.677 pụtara ihe n'akara ntụ 0.642. Ebe ọ bụ na akara ntụ a (0.642) karịrị akara ntụ 0.05 e jiri nwalee ụmaokwu a, nke a gosiri na a nabatara ya bụ ụmaokwu. Ya mere, onweghị ndịmiche pụtara ihe na ndejọ ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ndị nwoke na ndị nwanyị n'asụsụ Igbo.

Ajụjụ nke Atọ: Olee ọgbatauhie ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide ọrụ "na" n'asụsụ Igbo?

Tebul anọ: Ọgbatauhie ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide ọrụ "na" n'asụsụ Igbo.

Ọgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	Miin	SD	Mkpebi
1.	Ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo n'ogo mahadum na-eche na ụmụakwụkwọ mara ọrụ "na" nke ọma, mere ha ji amafe aka na ya.	12	9	4	5	1.96	3.65	Anabataghị
2.	Ụfọdụ ụmụakwụkwọ amaghị ọrụ "na" nke mere na ọ na-agbagwoju ha anya.	15	10	2	3	3.36	7.10	Anabatara
3.	Ụfọdụ ụmụakwụkwọ amaghị ka e si etinye akara edemede ndị e ji egosi ọrụ "na" n'edemede ha.	7	18	4	1	3.67	6.75	Anabatara
4.	Nghọta ọrụ "na" n'asụsụ Igbo ka na-ahịa ụfọdụ ụmụakwụkwọ ahụ.	11	15	2	1	3.59	7.55	Anabatara
5.	Ịmata ka e si ede ya mgbe "na" na-arụ ọrụ dịka mbuụzọ na-ahịa ụfọdụ ụmụakwụkwọ ahụ.	10	12	5	3	3.21	6.98	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ Miin					**3.43**		

Ọsịsa ụmụakwụkwọ nke pụtara ihe na tebul nke atọ na-egosi na amaghị ọrụ "na" n'asụsụ Igbo bụ otu ihe kacha pụta ihe na-ebute ndejọ ya n'edemede ụmụakwụkwọ. Abịakwa na ndịna nke atọ, nke anọ na nke ise, ọsịsa ha nyere gosipụtara na ịmata ka e si ede "na" mgbe "na" na-arụ ọrụ dịka mbuụzọ na-ahịa ụfọdụ ụmụakwụkwọ ahụ tinyere akaraedemede ndị ọzọ e ji edepụta "na" n'edemede bụ nsogbu nyere ụmụakwụkwọ. Nghọta ọrụ "na" n'asụsụ Igbo ka na-ahịa ụfọdụ ụmụakwụkwọ ahụ nke mere na odide ya ka bụ nsogbu nyere ha.

Nchịkọta Ihe A Chọpụtara

"Na" dịka mbuụzọ bụ ụdị ọrụ "na" nke ụmụakwụkwọ ka edejọ n'ederede ha. Ụmụakwụkwọ ndị nwoke ka edejọkarị "na" karịa ụmụakwụkwọ ndị nwanyị n'ederede asụsụ Igbo mana ndịmiche a apụtaghị ihe.

Amaghị ka e si etinye akara edemede ndị e ji egosi ọrụ "na" n'edemede na-ahịa ụmụakwụkwọ ahụ. Nke a so n'ihe ndị kacha wee pụta ihe n'ọgbatauhie ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide ọrụ "na" n'asụsụ Igbo.

Mkparịtaụka

A bịa n'ụzọ dị iche iche "na" na-arụ ọrụ n'asụsụ Igbo dịka njikọ, mbuụzọ, nnyemakangwa na isingwa, nchọcha a chọpụtara na "na" nke ụmụakwụkwọ kacha enwe ndejọ na ya bụ "na" dịka mbuụzọ. Ndị nchọcha chọpụtara na ihe nwere ike iso bute nke a bụ na a bịa n'odide "na" dịka mbuụzọ, a na-ede ya n'ụzọ dị iche iche. Iji maa atụ, ọ bụrụ na mkpụrụokwu na-esote "na" malitere n'ụdaume, a ga-ewepụ "a" ahụ dị na "na" were rikọm elu (') nọchie anya ya. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ mgbe mkpụrụokwu na-esote mbuụzọ malitere na mgbochiume, a na-ede "na" ahụ n'ozuzu oke ya, ọnọdụ dị otu a nwere ike ibute ihe mgbagwoju anya n'ebe ụmụakwụkwọ nọ.

Ndị nchọcha chọpụtara na ụmụakwụkwọ ndị nwoke ka ndị nwaanyị edejọ ọrụ "na" n'odide asụsụ Igbo. Nchọpụta a dabara na nke Akachukwu (2019) bụ nke gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nwanyị na-amụtakarị asụsụ ọsọọsọ karịa ndị nwoke oge ọ kọwara na ndịiche na jenda bụ otu ụzọ pụtakarịrị ihe e si egosipụta na ndị nwanyị ka eme nke ọma n'ịmụ asụsụ dị iche iche n'ụlọakwụkwọ karịa ndị nwoke.

A chọpụtakwazịrị na ọgbatauhie ụmụakwụkwọ na-enwekarị bụ ịmata ọrụ "na" na-arụ n'ahịrịokwu n'ihi na ha amaghị nkejiasụsụ Igbo nke ọma. Amaghị akaraedemede nke ọma sokwa ebute ndejọ "na" n'edemede.

Ntụnye Aro

Site n'ihe ndị nchọcha chọpụtara n'isiokwu ha, ọ ga-adị mkpa ka:

a. Ndị nkụzi Igbo niile, malite n'ọtaakara rue n'ogo dị elu jisie ike wepụta ohere dị mma maka nkụzi ụtọasụsụ Igbo, bụ ebe odide "na" na-apụtakarị ìhè, karịa ịdị na-akụziri ha sọọsọ agụmagụ na omenala.
b. Ụmụakwụkwọ n'aka nke ha ga-eletu anya ala ma tinyekwuo uchu n'ihe gbasara ọrụ dịgasị iche iche "na" na-arụ n'ahịrịokwu karịa ịdị na-edejọ ya mgbe niile dịka nnyocha e mere siri dị.
c. Ndị gọọmentị tosịrị ịdị na-ahaziri ụmụakwụkwọ ndị a edemede ekereuche kwamgbe kwamgbe n'ụdị asọmpi site n'oge rue n'oge ma nye ndị mere nke ọma ihe nrite. Nke a ga-eme ka ha nwekwuo mmụọ ịnụ ọkụ n'obi gbasara edemede n'asụsụ Igbo.
d. Ndị nkụzi Igbo nọgasị na ngalaba amụmamụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu, ọ kachasị na Ngalaba Amụmamụ Lingwistiks, Asụsụ Igbo na Asụsụ Ala Naijirịa ndị ọzọ, Mahadum Naịjiria Nsụka ga-ejisi ike na-enyobanye anya n'ime akwụkwọ ụmụakwụkwọ ndị a na klaasị, oge ha na-akpọpụtara ha nootu iji chọpụta ebe ha dejọrọ odide "na" nakwa iji mata ebe ha deziri ya nke ọma; maka inye ha mgbaziri.
e. Ndị nkụzi ndị a ga-agbalị na-enye ụmụakwụkwọ ndị a nchọcha n'isiokwu ya bụ ọrụ dị iche iche "na" na-arụgasị n'ahịrịokwu Igbo. Nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ ndị a mụtakwuo ka e si ede "na" nke ọma.
f. Ndị nkụzi Igbo ga na-ewepụta ihe dịka nkeji ise n'ọmụmụ kọọsụ ọbụla iji rụtụrụ ụmụaka ndị a aka n'ọrụ dị iche iche na na-arụ n'ahịrịokwu.
g. Ndị na-arụ kọmputa ga-ejisi ike tinyesịa ọchọpụta ndejọ mkpụrụokwu Igbo dum na kọmputa, ka ọ ga-abụ ụmụakwụkwọ ndị a na-akụpụta ederede Igbo, o nwee ebe ha kụpụtajọrọ "na" dịka ọrụ ha na-arụgasị n'ahịrịokwu siri dị, ọ ga-ezipụta ya ozugbo site n'ịkanye ya akara ọbara ọbara dịka o si eme n'asụsụ Bekee.

Nrụaka

Akidi, F. C. (2016). "Error analysis". In Mbah, B. M. (Ed.). *Theories of linguistics.* Enugu: University of Nigeria press.

Anedo, O. A. A. (2014). *Ndehie n'ide asụsụ Igbo na ụfọdụ ihe ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo.* Awka: Besing Books Multipurpose Publications.

Apakama, L. M. (2016). Introduction to Igbo parts of speech. *Nigerian Languages for Colleges of Education.* Owerri: Cajec Publishers, 8-19.

Chigbu, U. (2018). The dearth of Igbo language. (Online): http://nigeriaworld.com/ articles/ 2008/apr/062.html. Accessed on 2nd Feb, 2019.

Echebima, G. (2013). *A textbook of Igbo grammar*. Owerri: Assumpta press.

Emenanjọ, E. N. (2010). "The expression of prepositional notions in Igbo". In Uchechukwu, C. & Mbah, B. M. (Eds.). *Igbo language studies series I:The preposition in Igbo.* Onitsha: Edumail publication, 5-13.

Ezema, T. O. (2014). *Nkuzi ụtọasụsụ Igbo*. Lagos: Unique press.

Ezeomeke, S. O. (2014). *Igodo nghọta ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Easy – Quality Press.

Ezeugwu, O. B. (2016). *Asụsụ Igbo ezue.* http://www.slideshow.com. Retrieved February.

Ezeuko, S. (2016) .*Usoro nkụzi Igbo.* Lagos: Macmillan Publishing Company.

Hornby, A. S. (2015). *Oxford advanced learners dictionary of current English* (9 th ed). London: Oxford university press.

Ilechukwu, D. I. (2019). *"Nganusoro n'asụsụ Igbo" Akwụkwọ ngụpụta PhD e dere na Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshịa,* Fakọlti keatị Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Izuagba, A. C. (2008). Error analysis: A realistic approach to second language teaching and learning. In Ikediashi, A. E & Anyanwu, S. U. (Eds.). *Fundamentals of teaching and learning methodology.* Owerri: Capes publishers.

Klammar, D. (2019). *Descriptive Method*. Erwin S. Manual Razzel Mariel L. Mansida

Mbah, B. M. (2010). Category incorporated preposition in Igbo. In Uchechukwu, C. & Mbah, B. M. (Eds.). *Igbo language studies series I: The preposition in Igbo.* Onitsha: Edumail publication, 26-45.

Mbah, B. M. na ndị ọzọ (2013). *Igbo adịIgbo-English English-Igbo dictionary of linguistics and literary terms.* Enugu: University of Nigeria press.

Nworgu, B. G. (2018). *Educational research: Basic issues and methodology* (3rd ed.). Owerri: Wisdom Publishers Ltd.

Ọfọmata, C. E. (2013). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo*. Usoro nkuzi na ọmụmụ nke UBE nke ndị junịọ sekọndịrị. Enugu: Format publishers.

Okafọ, C. U. & Ewelukwa, U. (2012). *Nhazi asụsụ Igbo maka ule sinịọ sekọndịrị na kọleji, W.A.S.S.C.E, N.E.C.O, G.C.E, J.A.M.B.* Onitsha: A.C. global publishers.

Okeke, C. O. (2010). Lexicographic problems of the Igbo preposition. In Uchechukwu, C. & Mbah, B. M. (Eds.). *Igbo language studies series I: The preposition in Igbo*. Onitsha: Edumail publication, 66-87.

Okere, F. O. (2017). *Ndehie "Na" Nke Ụmụakwụkwọ Ngalaba Amụmamụ Asụsụ ala Naijiria Na linguistics, Alvan Ikoku Federal Kọleeji Keedukeshọn Owere.* Semina Maka Ntozu oke Inweta PhD Ọka: Mahadum Nnamdi Azikiwe.

Okoro, L. C. (2017). *Mkpanaka onyekuzi.* Owerri: Ark publishers.

Uchechukwu, P. A. (2010). *"The realizations of the Spanish preposition 'a' in Igbo"*. In Uchechukwu, C. & Mbah, B. M. (Eds.). The preposition in Igbo. Onitsha: Edumail publication, 124-135.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U. & Dike, G. A. (2016). *Umị nkọwa ụtọasụsụ Igbo*. Owerri: Ark publishers.

Umeodinka, A. U., Ugochukwu, C. N., Ogwudile, C. E. C. na Ilechukwu, D. I. (2019). *Kpọkọpị ụtọasụsụ Igbo na ntụgharị maka ndị sekọndịrị na mahadum*. Awka: Divine Printing and Publishing Co.

Ur, (2018) *WWW. Modern grammar in translation* 2018, 5pm.